# NYOCHA NSỤNỤBỤRỤ N'ASỤSỤ MMEBI DỊ N'ETIT MMADỤ ABỤỌ NWERE ỌRỊA NTỌNTỌ

**ONUH ESTHER CHIDIMMA**
**AHAMEFULA NDUBUISI OGBONNA***
**ONUOHA JOY ADAEZE, UNEC**
**NGALABA AMỤMAMỤ SAYENSỊ ASỤSỤ, IGBO NA ASỤSỤ NAIJIRỊA NDỊ ỌZỌ**
**MAHADUM NAIJIRỊA, NSỤKA**
***Corressponding author: ndubuisi.ahamefula@unn.edu.ng**

## NNYOCHA NSỤNỤBỤRỤ N'ASỤSỤ MMEBI DỊ N'ETIT MMADỤ ABỤỌ NWERE ỌRỊA NTỌNTỌ

**Ụmị edemede**

Nchọcha a lebara anya na nsụnụbụrụ n'asụsụ mmebi dị n'etiti mmadụ abụọ nwere nwere ọrịa ntọntọ bụ ndị dị n'agbata afọ iri ise ruo afọ iri isii. Mbunuche nchọcha a bụ inyocha asụsụ mmadụ abụọ nwere ọrịa ntọntọ Brocas. E jiri usoro nkọwa nyochaa ihe a chọpụtara na nchọcha a. Ọ bụ usoro ajụjụ ọnụ ka e ji nweta njiatule nchọcha a. Ọ bụ atụtụ nke ebumpụta ụwa (Innatis) ka e jiri hazie nchọcha a. Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ndị okenye abụọ nwere ọrịa ntọntọ Brocas n'Elugwu Ezike. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ndị nwere ọrịa ntọntọ Brocas na-egosiputa ihe ndị a n'asụsụ ha: okwu ha na-adị nta (nwere oke), mkpọpụta okwu ha na-enwe ntụpọ, ahịrịokwu ha anaghị ezucha oke, ha na-echefu itinye okwu ụfọdụ n'ahịrịokwu ha dịka 'na' tinyere na ha anaghị etinye ngwaa n'ahịrịokwu ha. Ha na-enwekwa nsogbu n'odide ihe.

**Ọkpụrụkpụ Okwu Ụfọdụ: Nsụnụbụrụ, ọrịa ntọntọ, asụsụ mmebi na atụtụ Innatizim**

## 1. Mkpọlite

Ọrịa ntọntọ bụ mmebi asụsụ nke na-esite na mmebi ụbụrụ. Mmebi asụsụ bụ ọgbaaghara na-emetụta etu e si eji nka asụsụ na-asụ asụsụ. Ọ naghị ekwe ka okwu na-aga were were n'ọnụ. Mmetụta a nwere ike ịbụ mgbe a na-akpọpụta mkpụrụokwu, ndọkọ okwu, nakwa ụtọasụsụ. O nwekwara ike ọ bụrụ n'ebe mkpọpụta mkpụrụokwu maọbụ n'ebe nghọta okwu dị. Nsogbu asụsụ gbadoro ụkwụ n'ihe abụọ: nkwupụta na nnabata. Ihe na-ebute ọrịa ntọntọ nwere ike ịbụ mmeru ahụ n'akụkụ ụbụrụ maọbụ ọrịa mkpọnwụ (stroke) nke mebiri ụbụrụ dị n'aka ekpe. Ndị nwere ọrịa ntọntọ bụ ndị na-asụ asụsụ nke ọma tupu ha enwee ihe mberede nke metutara ụbụrụ isi ha ma mee ka okwu ha ghara ịdị na-enwe nghọta zuru oke. Agbedo (2009) kọwara na ọrịa ntọntọ bụ ọrịa na-esite na mmebi ụbụrụ nke na-apụta ihe na-ekwudoghi okwu nke ọma maọbụ ekwughi okwu kpọmkwem. Ọ na-emekwa ka onye na-arịa ọrịa ntọntọ ghara ịghọta ihe a na-ekwu.

Ka o sila dị, ọrịa ntọntọ na-egbochi ezigbo mkpọpụta okwu, na nghọta asụsụ. mmebi asụsụ bụ ọnọdụ na-eme ka mkpọpụta okwu mmadụ ghara ịdị etu o kwesiri ịdị. Bishop na Rosenbloom (1987) kwuru sị na mmebi asụsụ nwere ike ịbụ nke nnabata maọbụ nke nkwuputa. Mmebi nke nnabata bụ nke na-arụtụ aka na mgbanwe na-adị na nghọta asụsụ ebe mmebi nkwuputa na-ekwu maka nhịahụ na-adị n'ijikọta mkpụrụokwu ọnụ, mmachi okwu, maọbụ enweghi ike iji asụsụ mee mkparịtaụka etu kwesiri ekwesi. Agbedo na Uchendu (2010) kọwara na mmebi asụsụ bụ ihe mbụ na-egosi adịghị ike n'ọmụmụ asụsụ. Ndị mmadụ nwere mmebi asụsụ na-enwe nsogbu n'ebe mkpọpụta mkpụrụ ụdaasụsụ, iji okwu ọnụ mee mkparịtaụka maọbụ ịghọta ihe ndị ọzọ na-ekwu. Yule (1996) n'aka nke ya na-akọwa na ekwudoghị okwu nke ọma na-esite na mmebi ụbụrụ nke na-eweta ihe nhiahụ na nghọta ihe e kwuru maọbụ na mkpọpụta mkpụrụ ụdaasụsụ. Ihe Yule na-akọwa ebe a bụ na o nwere akụkụ ụbụrụ na-ahụ maka mkpọpụta mkpụrụ okwu na nghọta asụsụ.

Mbunuche nchọcha a bụ inyocha asụsụ mmadụ abụọ nwere ọrịa ntọntọ nke Brocas. N'ihi nke a, mmadụ abụọ ndị a e jiri mee nchọcha a nọchitere anya ndị ọzọ nwere ọrịa ntọntọ n'Elugwu Ezike

maka na njirimara ha na-egosiputa na ha yiri onwe ha. Nchọpụta nchọcha a ga-etinyekwu amamihe n'ebe ntụleghari̩ agụmagụ banyere ọrịa ntọntọ nọ.

**2.1 Atụtụ nchọcha**

Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ ebumpụta ụwa nke ọ bụ Chomsky tụpụtara ya n'afọ (1959). Ọ katọrọ atụtụ omume nke Skinner wepụtara. Ọ kọwara na e nwere ike iji iwu sayensị asụsụ were nweta agụtaghị agụ ezigbo okwu ekwupụtara ekwupụta. Ọ na-akọwa na a ga-ahụta okwu a na-ekwu dịka ihe sitere n'ụbụrụ na ọbụghị site n'omume mmadụ. Ọ gara n'ihu kọwaa na nwata ọbụla a mụrụ nwere ihe ebumpụta ụwa maka ọmụmụ asụsụ nke a na-akpọ nwa mmata asụsụ. Nke a ka a kpọrọ "Language Acquisition Device (LAD)" n'olu bekee. Nke a na-eme ka nwata ọbụla na-asụ asụsụ doro anya nke mmadụ niile ga-anabata dịka ezigbo asụsụ. Atụtụ a na-akọwa na ụmụaka nwere ike ime ahịrịokwu dị iche iche ha anụbeghị na ndụ ha. Ụmụaka na-asụghe asụsụ mana nsughe a adịghị njọ nke na agaghị aghọta ihe ha na-ekwu. N'ebe a, Chomsky na ndị otu ya kwuru n'ọmụmụ asụsụ maọbụ imata asụsụ bụ ihe tara akpụ nke na ọbụghị ihe a na-ahụta dịka ịkpa agwa. Mpụtara okwu dị oke mkpa maka mmụta na ọmụmụ asụsụ n'ebe ndị otu atụtụ ebumpụta ụwa nọ.

A katọkwara atụtụ ebumpụta ụwa nke Chomsky a. Ihe bụ LAD bụ nke nọ n'ọnọdụ ntụleghari̩ Ndị otu Evolushọnist ekwetaghị n'atụtụ a. Ndị Evolushọnist kwenyere na ebumpụta ụwa dị mkpa n'ọmụmụ asụsụ mana a ga-etinyekwara ya gburu gburu ebe obibi ụmụaka. Nke a gosiri na gburu gburu ebe obibi ụmụaka dị mkpa maka ọmụmụ asụsụ.

**2.2 Nchọcha A Hụrụ Anya/ Ntuleghari̩ Isiokwu**

E meela ọtụtụ nchọcha banyere ọrịa ntọntọ dị iche iche. N'ebe a, a ga-eleba anya n'ụfọdụ nchọcha ndị mmadụ merela maka ọrịa ntọntọ.

Agbedo na Uchendu (2010) lebara anya na mmebi asụsụ ụmụaka abụọ. Nchọcha a lebara anya na mkpụrụ ụdaasụsụ ndị a nwere ọrịa ntọntọ. Nchọcha a hụtara na ndị nwere ọrịa ntọntọ na-ewere okwu mpụtara ha na-eyiteghi ihe ha chọrọ ikwu were nọchie anya ihe ha chọrọ izi n'ozi. Ha na-akpọpụtakwa okwu n'enweghi ihe ha pụtara n'asụsụ ha mana o nwere mpụatara n'ebe ha bụ ndị kpọpụtara ya nọ. Ndị nchọcha a chọpụtakwara na okwu ndị nwere ọrịa ntọntọ na-ekwu na-aga were were mana okwu ha na-eto ogologo nke na-eyite ahịrịokwu mana o nweghi mpụtara ọbụla. Ọ na-agbasi mbọ ike ikwuputa ọtụtụ okwu. O bido ikwu okwu, ọ gaghị akwụsị garuo na akwụsịrị ya ikwu okwu. Nchọcha a yitere nke anyị n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka ọrịa ntọntọ. Ha dị iche n'ihi na e jiri ụmụaka mee nchọcha a ebe nke anyị bụ ndị okenye ka e jiri mee ya.

Uchendu (2010) mere nchọha banyere nsụnụbụrụ asụsụ mmebi mmadụ ole na ole nwere ọrịa ntọntọ. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'asụsụ mmebi ụmụaka abụọ. Okechukwu Ugwu na Chukwuemeka Eze bụ ndị gbara afọ iri abụọ na anọ na iri abụọ na isii n'otu n'otu. Nchọcha a gosipụtara n'asụsụ Okechukwu bụ nke jupụtara na iji okwu ọzọ nọchie anya okwu ọ chọrọ ikwupụta, okwu na-enwghi nghọta zuru oke na okwu na-enweghi isi na ọdụ. N'aka nke ọzọ, okwu Chukwuemeka bụ nke gosipụtara njirimara ọrịa ntọntọ nke Brocas. Nke a gosiri na okwu Chukwuemeka dị nkenke, okwu ya anaghị aga were were n'ọnụ. Ọ na-enwe nhiahụ na mkpọpụta mkpụrụokwu. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ọrịa ntọntọ na-emetụta ndị mmadụ n'ụzọ dị iche iche site n'ụdị ihe butere ọrịa a, akụkụ ụbụrụ nwere mmebi. Na mmechi, nchọcha a gosiri na ọrịa ntọntọ na-emetụta etu mmadụ si akpọpụta mkpụrụokwu, ma na-emetụtakwa nghọta okwu e ji eme mkparịtaụka. Nchọcha a na nke anyị na-ekwu maka ndị nwere ọrịa ntọntọ ma dịwaga iche n'ihi na nchọcha ajiri mmadụ abụọ nwere ọrịa ntọntọ dị n'agbata afọ iri abụọ na anọ na iri abụọ na isii, ebe nke anyị ji ndị nọ n'agbata afọ iri ise ruo na iri isii.

Ezeudo (2019) mere nchọcha banyere ọrịa ịsụ nsụ (stuttering). Mbunuche nchọcha a bụ inyocha asụsụ otu agadi nwoke nwere ọrịa ịsụ nsụ na steeti Anambra. Nchọcha a nyochara nsụnụbụrụ okwu ọnụ nwoke a na-asụ nsụ n'ebe mkpọpụta mkpụrụ okwu, mmebe okwu, ụdaasụsụ na ụtọasụsụ nọ. E nwetara njiatụle (data) nchọcha a site n'ụzọ nlere anya na ajụjụ ọnụ site na nnyemeaka nne na nwanne nwaanyị nwoke a nwere ọrịa ịsụ nsụ a. Nchọpụta nchọcha a gosiri na nwoke a na-asụ nsụ n'ebe mkpọpụta mkpụrụasụsụ ọ kachasị n'ebe mkpụrụụda dị. Ọ na-akpọpụta mkpụrụụda ugboro

ugboro. Onye na-asụ nsụ na-enwe mkpọhie okwu n'ebe okwu ọ dị na ya nọ n'ahịrịokwu nwere mgbagwoju anya dị. Nchọcha a na nke anyị yiri n'ihi na ha abụọ na-ele anya na mmebi asusụ. Ha dị iche n'ihi na nchọcha na-ekwu maka ọrịa ịsụ nsụ ebe nke anyị na-ekwu maka ọrịa ntọntọ.

Manouilidou (2021) gosiputara nchọpụta o nwetara n'aka otu nwoke dị afọ iri ise nwere ọrịa ntọntọ. Mbunuche nchọcha a bụ ịtụlerikọta mmetụta ọgwụgwọ a gwara ọgwa maka ọrịa ntọntọ na iji otu uzọ gwụọ ọrịa ntọntọ. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ịkpọ aha ihe bụ nke onye ọrịa a gara n'ihu na-eme nke ọma mgbe ọ na-anata ọgwụ ọgwụgwọ ọrịa a. Ọ bụ ọgwụgwọ nke agwọkọtara ọgwụ agwakọta ka adị ire n'ọgwụgwọ ọrịa a. Nchọcha a na nke anyị na-eme ugbu a na-eleba anya n'ọrịa ntọntọ. Ebe nke a na-ekwu maka ọgwụgwọ ọrịa ntontọ, nke anyị na-ekwu maka nnyocha nsụnụbụrụ n'asụsụ mmebi dị n'etiti mmadụ abụọ nwere ọrịa ntọntọ.

**3. Usoro nnweta njiatụle nchọcha a**

Na nchọcha a, e jiri ajụjụ ọnụ were nweta njiatụle nchọcha a site n'aka mmadụ abụọ nwere ọrịa ntọntọ. E depụtaghị aha ndị a e jiri mee nchọcha a mgbe a na-agba ha ajụjụ ọnụ dịka ha siri chọọ nakwa iji kwanyere ha ugwu. E jiri AB nọchie aha onye nke mbụ ma jiri BC nọchie anya onye nke abụọ. Nchọcha a bụ nchọcha e jiri usoro nkọwa nyochaa. Ajụjụ ọnụ nke ahazịghị n'usoro bụ nke e jiri mee nchọcha a. Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ n'Elugwu-Ezike nke dị n'okpuru ọchịchị Igbo Eze Nọọtụ nke Steeti Enugwu. Njiatụle e nwetara maka nchọcha a bụ nke e jiri usoro nkọwa nyochaa.

**4.1 Nhazị Ihe A Chọpụtara**

N'ebe a, a hazịrị ihe a chọpụtara na nchọcha a site n'ịgbado ụkwụ n'ekwuru n'ọnụ mmadụ abụọ nwere ọrịa ntọntọ. A ga-ebu ụzọ depụta mkparịtaụka dị n'etiti onye nchọcha a na ndị e jiri mee nchọcha. Mmadụ abụọ e jiri mee nchọcha a bụ ndị e nyere aha AB na BC n'ihi na a chọghị idepụta ezigbo aha ha n'akwụkwọ tinyere inye ha ugwu na nsọpụrụ. Onye nchọcha a ka e jiri ON were nọchie aha ya

**4.1.1 Onye Ọrịa Ntọntọ Nke Mbụ.**

ON: Papa, ụtụtụ ọma
AB: Ndeewo
ON: Kedu ka ị dị?
AB: Mma (Kwee n'isi)
ON: A ma m na ị na-echeta onye m bụ?
AB: Ee (Kwee n'isi)
ON: Biko o nwere obere ihe m chọrọ ịjụ gị.
AB: Ah! Ok.
ON: Aha m bụ Nwada Esther Chidimma. Gịnị bụ aha gị?
AB : A...h...Jo...Jo...Jo...Jokep No. (for Joseph)
ON : Afọ ole ka ị dị ugbu a?
AB : fọ…fọ…fọ iri abụ bọ isii (iri abụọ na isii)
ON : Biko e wela iwe na m na-ajụ gị ọtụtụ ajụjụ. Gịnị bụ aka ọrụ gị?
AB : Ba…ba…ba..ba…Patenda. No (for bar tender)
ON : Ịlụọla nwaanyị?
AB : A…a…a…a…alụm (for I have married)
ON : Ụmụ ole ka ị mụtara?
AB : Ofu (one)
ON : Ọ dị m ka m kwụsị ebe a. Papa ị gbalịala nke ọma
AB : Okwee n'isi ma mụa amụ
ON : E ji m aka na ị ga-agbake nke ọma n'oge n'adịghị anya. Ka e mesịa.

**4.1.2 Onye ọrịa ntọntọ nke abụọ**

ON : Ehihie ọma daddy
BC Ehihie ọma nwa m

ON: Nna anyị a chọrọ m ịmata ka ọrịa a si bido. I nwere ike icheta ihe merenụ?
BC: Hmm...ok...ncheta...ok...ezinaụlọ nwere ihe mberede ụgbọala...ụzọ....Legọs. Ahhh buga ụlọ ọgwụ ka azọpụta ndụ m
ON Oh! n'ụzọ ebe ị na-aga Legọs?
BC: Ee
ON: Gịnị mere ka i nwechara ihe mberede a?
BC: Ndị mmadụ bu…bu…bu…ru…m. Hmm
ON: Oh! E buru gị gawa ụlọ ọgwụ?
BC: Ee
ON: N'ụlọ ọgwụ nke a?
BC: Amaghị …Hmmmm dị mma ịma ọrụ ( Ọ tụọ aka n'isi ya)
ON: A ghọtaghị m ihe ị na-ekwu
BC: Hmmmm…mata…ehhhh hmmh dịnara …
ON: Gịnị mere ọzọ?
BC: Ụlọ ọgwụ…Ogrute ere ọgwụ…ikuku abata…akwa ndịna dị. Ụlọ ọgwụ oyibo…ndị zuru ezu
ON: Ọ ga-adị ụbọchị ole ị nọ ebe a?
BC: Ah! …nọ ụbọchị atọ…ehnnn woru akwa
ON: Kedu maka onye dibịa bekee?
BC: Dibịa bekee hụ m ugboro asaa. Ekene Chukwu…adị mma hmmm taa
ON: A ga m ahapụ gị ka i zuo ike. Nwee ndidi na ọ ga-adị mma n'oge na-adighị anya
BC: Oh!

Site na mkparịtaụka onye nchọcha a (ON) na mmadụ abụọ nwere ọrịa ntọntọ (AB na BC), ihe ndị a bụ ihe a chọpụtara: Nke mbụ, onye ọrịa ntọntọ AB gosipụtara na onye ọrịa ntọntọ a na-enwe nhiahụ na ịkpọpụta ahịrịokwu zuru oke. Dika ọmụmaatụ mgbe ọ chọrọ ikwupụta ihe bụ aka ọrụ ya ọ sịrị, "Ba ba ba ba patenda. Mba". Ihe ọ chọrọ ikwu ebe a na ya bụ "bar tender" n'olu bekee. O were ya ọtụtụ oge ikwupụta nke a mana ikpeazụ ọ bụghị ihe ọ chọrọ ikwu ka o kwupụtara. Nke a mere o jiri sị mba! n'ikpeazụ iji gosi na ọ bụghị ihe o bu n'uche ikwu ka o kwupụtara. N'agbanyeghị na ọ bụghị ihe ọ chọrọ ikwu ka o kwupụtara, o were ya ọtụtụ oge ime nke a. Ọzọkwa, ọ mara ihe ọ chọrọ ikwu mana o nweghi ike ịkpọpụta ya nke ọma. Ọzọkwa, mgbe ọ chọrọ ikwu aha ya ọ sịrị, "A…hh, Jo Jo Jo Jokep". Ihe ọ chọrọ ikwu ebe a bụ na aha ya bụ Joseph. O jiri okwu na-enweghị isi na ọdụ bido dịka: 'A...hh". Nke a na-egosi na o nwere ihe mgbochi n'ọwa akpọmụụda.

Onye ọrịa ntọntọ a gosipụtara na o nwere mmachi okwu. Ọmụmaatụ aziza o nyere mgbe a jụrụ ya " Kedu ka ịdị?". Ọ zaghachịrị sị, "M...ma, o kwe n'isi'. Ọ na-echefukwa itinye okwu njikọ dịka "na" n'ahịrịokwu ya. Ọ na-enwe nhiahụ n'itinye ngwaa n'ahịrịokwu ya karịa ka ọ dị na itinye aha ihe ndị ọzọ. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ndị nwere ọrịa ntọntọ na-ejikarị mmegharị ahụ na-egosipụta ihe ha chọrọ ikwu dịka ikwe n'isi, imechi anya maọbụ ife aka.

Site na mkparịtaụka onye nchọcha a na onye ọrịa ntọntọ nke abụọ (BC) a chọpụtara na onye ọrịa ntọntọ na-enwe mkpọbi okwu. Ọmụmaatụ: Mgbe onye nchọcha a jụrụ onye ọrịa ntọntọ nke abụọ (BC) etu o siri nweta ọrịa a, ọ zara ya sị, "Hmm...ok...ncheta...ok ezinaụlọ ihe mberede ụgbọala...ụzọ...legọs. Ahhh...buga ụlọ ọgwụ ka azọpụta ndụ m. N'ebe a, anyị ga-ahụ na e nwere mkpọbi okwu e jiri "..." were nochie ebe ngwaa tosiri ịdị. E nwekwara ọtụtụ okwu mpụtara ha na-enweghi isi na ọdụ n'ebe ndị mmadụ na-enweghi ọrịa a nọ mana ebe onye ntọntọ a nọ o nwere nghọta n'okwu ndị ahụ dị ka 'Hmmm...Ahhh...Ah!...Oh!

Mgbe a jụrụ ya ma o nwere ike i depụta ahịrịokwu ole ma ole iji kọwaa onye ọ bụ, o kwuru sị 'Mba". Oge ụfọdụ ndị nwere ọrịa ntọntọ na-enwe nhiahụ n'ịghọta okwu ndị ọzọ na-ekwu. Ha na-eji okwu yitere okwu ha chọrọ ikwu were nọchịe nke ha bu n'obi ikwu dịka "gwongworo mgbe ha chọrọ ikwu "ụgbọala". Ha anaghị ewebata ahịrịokwu mgbagwoju anya na mkparịtaụka ha na ndị mmadụ na-eme.

**4.2 Nchọpụta Nchọcha a**

Nchọpụta nchọcha a gosiri ihe ndị a: nke mbụ, ndị nwere orịa ntọntọ na-enwe nhịahụ n'iwepụta ahịrịokwu mgbagwoju anya na-mkparịtaụka ha. Nke abụọ, ha na-enwe nsogbu n'odide ihe

n'akwụkwọ. Nke atọ, ha na-enwe nhiahụ mwebata ngwaa n'ahịrịokwu ha. Nke anọ, ha na-ewebata ọtụtụ okwu n'enweghị isi na ọdụ mgbe ha na-ekwụ okwu. Ha na-enwekwa mmachị okwu nke pụtara na okwu ha na-ekwu na-adị nke nke. N'ikpeazụ, ha na-ejị mkpụrụ okwu yitere nke ha bụ n'obi ikwu were nọchie anya nke ahụ ha chọrọ ikwu ma na-enwekwa ntụgharị anya na mmebe ụda okwu ha.

**4.3 Mmechi**

Onye nchọcha a na-atụpụta aro na ndị gọọmeti ga-ewube ụlọ ebe ndị nwere ọrịa ntọntọ ga-anọ were na-enweta enyemaka ọgwụgwọ. Nke a ga-enye aka ibelata ntaramahụhụ ha na-enwe n'ebe mmekọrịta mmadụ na ibe ya nọ n'ihi na oge ụfọdụ a na-enwe ikpa oke n'ebe ndị nwere ọrịa ntọntọ nọ na ebe ndị na-enweghị ya nọ. Ndị nwere ọrịa ntọntọ na-enwekarị iwebata okwu mputara ya na-enweghi isi na ọdụ, iwebata ngwaa n'asụsụ ha tinyere inwe nhịaahụ n'ebe ihe odide nọ.

**Nrụtụaka**


Agbedo, C.U.and Uchendu, A.G. (2010). Psycholinguistics Analysis of Language Disorders: A Case Study of Selected Aphasia Patients. *Journal of Igbo Language and Linguistics. (JILL), 1(2), 31-39.*

Bishop, C.V. and Rosenbloom, L. (1987). Classification of Childhood Language disorder. *In W.Yule and M. Rutter (eds.) Language Development and Disorders*. London: Mckeith Press.

Chomsky, N. (1959). Review of B.F. Skinner, Verbal Behaviour. *Language 35, 26-54.*

Ezeudo, C. (2019). *Psycholinguistic Study of Stuttering in Anambra State*. Ph.D. seminar, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Manouilidou, C. (2021). Reading Greek and Compounds in Neglect Dyslexia: *JMk Journal, 2, 21-33.*

Uchendu, A.G. (2010). *Psycholinguistic Analysis of Language Disorders: A Case Study of Selected Aphasia.* M.A. Dissertation, Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Yule, G. (1996). *The Study of Language.* (3rd ed.). Cambridge: Cambridge University Press.